# NTULE ỤFỌDỤ AJỌAGWA NDỊ NTOROBỊA MAKA NKWALITE OMENALA NA EZI NDỤ: MGBAKWASỊ ỤKWỤ N'AKWỤKWỌ EJIJE IGBO ATỌ.

**Theodora Ngozi NNEBEDUM[1], Pauline Chinasa NWIZU[2], Chinyere Josphine NWACHUKWU[1] & Ifunanya Nzubechukwu DIMEBO[1]**

[1]Ngalaba Amụmụ Sayensị Asụsụ na Asụsụ Naijirịa Ndị Ọzọ· Mahadum Etiti Alex Ekwueme dị n'Ebonyi Steeti

[2]Ngalaba Amụmụ Sayensị Asụsụ na, Asụsụ Naijirịa Ndị Ọzọ, Mahadum Edukeshọn Alvan Ikoku dị n'Onwerri.

**DOI: https://dx.doi.org/10.4314/jolls.v15i2.28**

**Ụmịedemede**

Ụmụ na-eto eto bụ ọdịnihu ezinụlọ na obodo ọbụla. N'ihi nke a, e kwesịrị ịlebanye anya nke ọma n'ebimndụ na akparamagwa ha ka ha ghara iji ume okorobịa mehie ihe ga-ebutere ha nnukwu ọdachi na ndụ ha. Ọ bụ iji gbochie nke a ka e ji bagide nchọcha a. Nganga na mpako dịka ihe mkpuchi anya na ajọ akparamagwa nke aṅaghị ntị ezi ndụmọdụ na-ebutere ọtụtụ ndị ntorobịa ọdachi dị egwu tinyere ọghọm dị n'enyeghị nwata ezi ọzụzụ kpalitere mmụọ ọchọcha. Nchọcha a ji akwụkwọ ejije atọ ndị a họọrọ bụ *Ọjaadịlị, Nwata Bulie Nna Ya Elu na Nganga Bụrụ Ụzọ* wee mere ebe mgbakwasị ụkwụ ma jirikwa ihe mere na ndụ Ọjaadịlị, Emuka na Igolo wee tụlee ụfọdụ agwa ọjọọ ụmụ na-eto eto na-akpa n'oge ugbua ma gosipụtakwa ọghọm dị na ime mpako. Mbunuche nchọcha a bụ ime ka ụmụ na-eto eto mata na ọdịda bụ ụgwọ ọrụ nganga na mpako nakwa na, ebe nnukwu uru dị bụ n'inwe obi umeala na ịnabata ezi ndụmọdụ, tinyere ngosipụta na ejije na-enye aka n'ụzọ dị egwu n'ebe o metụtara nkụzi na mgbazi ezi ụzọ. Atụtụ a gbadoro ukwu wee mee nchọcha a bụ atụtụ mkpakwasị agwa ebe e ji usoro nkọwasị were tụchaa njantụle bụ nke e nwetara site n'ọba akwụkwọ, intaneeti, na akwụkwọ ejije atọ ndị e ji mee nchọcha. Nchọcha a chọpụtara na ọ bụ nganga Ọjaadịlị kaara idula ya mmụọ, ejighị ezi ndụmọdụ kpọrọ ihe chụpụrụ Igolo na di, ebe mpako Emuka mere ya ọ laa akụ nna ya n'iyi. Arọ nchọcha a na-atụ bụ ka ọhaneze tumadi ụmụ na-eto eto gbara nganga na mpako ọsọ, nabata ezi ndụmọdụ ma were obi umeala mezie ihe ọbụla nganga na mpako mebiere ha tinyere ka ndị nne na nna jikọọ aka ọnụ nye ụmụ ha ezi ọzụzụ ma gbaziere ha ezi ụzọ n'agbanyeghị ma ọ bụ otú nwa ma ha adị ọtụtụ.

**Ọkpụrụkpụ okwu**: Ndị ntorobịa, Ejije, Akparamagwa agwa, Nganga na Mpako.

**Abstract**

Young people are the pride and future of every home and society. Hence, there is need for extra care, watchfulness and nurturing in their upbringing as it pertains to their behavior and lifestyle so that they will not truncate their future out of youthful exuberance. Moreso, non-adherence to good counsel and lack of good moral child grooming coupled with the high level of regret which is the resultant effect of pride and pomposity prompted this research topic with the aim of profering solution. This research work is of the view that humility, good upbringing/child training and adherence/compliance to good counsel will be of immense help. Data for analysis were obtained from the library, the internet and the three drama texts namely *Ọjaadịlị*, *Nwata Bulie NnaYa Elu and Nganga BụrụỤzọ* by Ọdụnke Artists, InnoỤzọma Nwadike and IjeomaNwaogu respectively. In conclusion, the research work opined that young people should desist and flee from pride for it leads to destruction but embrace good godly counsel and advice that will help build their life, career and future. The research therefore, advocates the need for young people to have a receptive heart and responsive

attitude towards good counsel, constructive criticism and redemptive approach to life/issues.

**Keywords**: Youths, Drama, Characterization, Pride and Arrogance.

**Mkpọlite**

Ndị ọbụla na-azụlite ụmụ ha n'ụzọ ha si ebi ndụ ha, nke a pụtara na omenala anaghị anwụ anwụ kama ọ na-etowanye. Agụmagụ dịka otu n'ime omenaala ndị Igbo bụ echiche miri emi nke mmadụ chere gbasara isiokwu ọbụla nke e ji asụsụ nkà akọwapụta. Ọ bụ ihe niile e dere ede maọbụ a kọrọ n'ọnụ n'ime otu obodo maọbụ n'otu oge. Nwadike (1992) kọwara agụmagụ dịka ọrụ nkà nke e sitere n'echiche wepụta ma bụrụkwa nke e si na ya egosipụta ma na-ahụkwa ndụ. Culler (1961) n'echiche nke ya gosipụtara uru agụmagụ bara ọkachasị n'obodo. Ọ gara n'ihu kwuo na agụmagụ bụ edemede pụrụ iche nke na-emepe anya obodo ma na-agbanwekwa omume ndị bi n'obodo ma ogbenye ma ọgaranya. Nke a gosiri odee dịka onye na-ede ihe gbasara ndụ ma jirikwa ederede ya egosipụtakwa akparamagwa ụmụ mmadụ ndị bi n'ụwa, ma nke dị mma ma nke dị njọ. A na-esitekwa n'agụmagụ ederede dịka ejije egosipụta ọtụtụ akparamagwa agbụrụ na-agbarụrụ ihu dịka nganga, mpako, obi ọjọọ, anyaukwu, oke ọchịchọ dg ma werekwa ọrụ nkà a bụ agụmagụ (ejije) wee kwalite ezi akparamagwa na ebimndụ dịka udo, ịdịnotu, obi umeala, mwedaonwe n'ala, ịdị uchu dg nye ndị ntorobịa maka ezi ọdịnihu na ọdịmma ha.

Ejije bụ enyo, ọ bụ nhụrụụwa na-egosipụta ihe na-eme na gburugburu anyị nke na-enye mmadụ amamihe, akpalite mmụọ nakwa obi ụtọ ma ọ bụ afọ ojuju. E si n'ejije agba n'anwụ agwa dị iche iche ụmụ mmadụ na-akpa ọkachasị n'oge ugbua tụmadi n'etiti ụmụ na-eto eto nke nganga na mpako bụ otu n'ime ha eleghị anya n'ihi akụnụba ha, ọnọdụ/ogogo ezinụlọ ha maọbụ onyinye ọnatarachi ha. Ndịigbo nwere nnukwu nkwenye na ihe ọ bụla mmadụ mere n'ụwa a nwere ụgwọ ọrụ so ya. Ọ bụ ya mere ha ji agbalị ibi ezi ndụ mana ọ dịzị ka ndị ntorobịa ọ na-eleghara ụdị ndụ a anya n'oge ugbua. Ọ bụ nke a ka ndị odee ndị a họọrọ akwụkwọ na-esi n'agụmagụ ha (ejije) egosipụtara anyị ka anyị were ihe mere na ndụ ndị agwa ha dere maka ya tụlee akparamagwa na ebimndụ anyị ma mụrụ akọ. Nchọcha a hụtara ejije dịka nnukwu akụrụngwa nkụzi, nlereanya na mgbazi nye ndị Igbo tụmadi ndị ntorobịa n'ihe gbasara obibi ndụ na akparamagwa ha ma bụrụkwa enyo e ji ahụ nakwa nwamgbaza ozi na-ezipụta ihe dịgasị iche iche na-eme n'ụwa taa.

Ezema (2009:30) kọwara ejije dịka enyo e ji ahụ ihe na-eme na ndụ ndị mmadụ. Ọ kọwakwara ejije dịka mmadụ iji egwuregwu jijee omume mmadụ ibe ya, otu, obodo maọbụ agbụrụ. Ejije dịka otu n'ime ngalaba agụmagụ bụ njije maọbụ nṅomi nke mmadụ na-eṅomi nakwa ime ihe ka onye ọzọ si eme na-abụghị nke onwe. Ejije nwere ụdị dị iche iche ma nwee ngwa ejiji/ekike pụrụ iche e ji emepụta ya na ebe a na-anọ egosipụta ya dịka n'ama, na mbara ezi, n'obom maọbụ n'elu nkwago.

Nchọcha a na-elebanye anya n'agụmagụ nkà, ya bụ agụmagụ sitere n'echiche pụta nke na-ezipụta ma na-akọwapụta ndụ na mgbakwasị ụkwụ n'ejije n'ebe ọ metụtara ndụ nganga na mpako na ọghọm na-eso ya. N'ihi enweghị umeala na egwu Chineke mere na ọtụtụ ndị ntorobịa n'ala Igbo na-ebi ndụ okomoko, akwanyeghiri okenye ugwu na nsọpụrụ dịka n'ikele ekele na igere ndụmọdụ, ịsị asị, ịghọ aghụghọ na anyaukwu nke na-apụta ihe na mmụọ oke ọchịchọ. Ọtụtụ ndị ntorobịa na-ahụta onye okenye maọbụ onye nkụzi na-enye ha ezi ndụmọdụ na ezi ntụziaka dịka onye iro n'amaghị na ọ bụ ọzụzọ ka a na-azọ ha ka ihe ọjọọ ahụ a na-atụ egwu ya ghara ime na ndụ ha dịka a hụtara n'akụkọ ifo *Apụnaanwụ*. N'ọtụtụ ejije ederede dịka n'*Obidiya, OmewereMa Chi Ekweghị, Akụ Fechaa, Nwata Rie Awọ* tinyere akwụkwọ ejije ndị eji eme nchọcha gosipụtachara nganga na mpako na ọghọm na-eso. Ọbụladị n'ejije ndị Winlos a kpọrọ *Prophet Suddenly 3*, anyị hutara etu isi agwa bụ James ji maka mpako, akpịrị na anyaukwu tụfuo onyinye amara ịgụ egwu Chineke nke a mere ya o si n'ibu nnukwu onye ọka abụ ama ama ma n'obodo ya ma na mba ofesi ọ bụrụzie onye ọkwọ ụgbọala tagizi. Ya bụ na nganga ajọka.

Nchọcha a ga-abara ọtụtụ ndị mmadụ uru nke ụfọdụ n'ime ha gụnyere: inyere ụmụakwụkwọ

aka n'ịghọta na e ji ejije akụzi ihe dị mkpa tinyere ndị nkụzi aka maka inye ụmụakwụkwọ ezi nkwado na ịkụziri ha ka e si emepụta ihe nkiri ejije. Ọzọ, ọ ga-enyere ọhaneze aka tumadi ndị ntorobịa ịgbara nganga na mpako ọsọ ma nabata ezi ndụmọdụ ga-enyere aka ná ndụ ma mee ka ha mụta mwedaonwe ala na obi umeala. Ọ ga-enyere ndị nne na nna aka ihụta mkpa ọ dị bụ inye ụmụaka ezi ọzụzụ ma gbaziere ha ezi ụzọ site n'inye ha ezi nkwado na nkụzi maka akparamagwa dị mma. Nchọcha a ga-enyere na ndị ọchọcha ndị ọzọ aka ịchọpụta mperi nchọcha a riri nakwa n'ebe ọ bara uru ma nye aka n'ituputa etu a ga-esi mechie oghere dị na ya.

**Ntụleghari agụmagụ**

Na ntuleghari agụmagụ a, a tụlegharịrị agụmagụ ndị yitere isiokwu ndị e ji n'aka ma gbadoukwu ụkwụ na ha kpọmkwem. Na nkọwa ọkpụrụkpụ okwu, a kọwara ọkpụrụkpụ okwu ndị mebere isiokwu nchọcha nke gụnyere: ejije, ndị ntorobịa àkparamagwà, nganga na mpako. Na ntụleghari atụtụ, a lebara anya n'atụtụ ngụgọ nke Abrams, atụtụ mmekọrịta mmadụ na ibe ya nke Milroy, tinyere atụtụ mkpakwasị agwa nke John. B. Watson na atụtụ mbikọ ọnụ nke Albert Bandura bụ atụtụ ndị e ji mee nchọcha. E lebakwara anya na nchọcha ndị ọzọ merela ma chọpụta na ọ bụ ezie na e meela ọtụtụ nchọcha n'isiokwu dị iche iche banyere ejije, o nwebeghi nchọcha e merela n'isiokwu a kpọmkwem ma jiri akwụkwọ ọgụgụ atọ ndị ahụ e jiri mee nchọcha a mee nchọcha.

Ọkpụrụkpụ okwu ndị a ga-akọwa bụ: ejije, àkparamagwà, ndị ntorobịa, nganga na mpako. Ejije bụ ihe e wepụtara ka ọ nọchie anya "drama". Ọ bụ njije ihe mmadụ na-abụghị. Ihe e ji akpọ ya ejije bụ n'ebe a, nwoke nwere ike jijee nwaanyị maọbụ nwaanyị e jijee nwoke ma ọ bụkwanụ mmadụ e jijee anụmanụ. Isi sekpu ntị n'ejije bụ 'emereeme'. Dịka Okebalama (2003:87) kọwapụtara isi sekpu ntị a n'ejije, ọ sịrị na ihe ụda bụ n'abụ, maọbụ nhazịakụkọ bụụrụ iduụazi ka emereeme bụkwara ejije. Emereeme n'ebe a metụtara ndụ na obibi ya; ebe ndụ na obibi ya ọmụmụ nwa, ọzụzụ nwa, alụmdinanwụnye, nka na uzu, sayensị echiche, ákwàmozu, okpukperechi, nkwenye dị iche iche, ekpemikpe nakwa ụmụ ihe ndị ọzọ yiri ha.

Ejije bụ njije nke Ogunbiyi (1981, ih.3) kwuru na ọ malitere n'ala Afrịka site n'etu mmadụ si nwee mmasị ikpere chi ya. Ndị Afrịka kwenyere na e nwere ihe a naghị ahụ anya na-eduzi ihe ndị a na-ahụ anya. Nke a ka ha na-emejupụta site na ntọ àjà. Nke a mere ka Ogunbiyi gaa n'ihu kọwaa na ejije malitere n'ụdị ntọ àjà iji mee ka mmụọ na mmadụ nwee mmekọrịta. Ka ejije malitechara dị ka ntọàjà, e bidoro mepụtawa omume ụfọdụ nke gụnyere iji anwansị dị iche iche nwere mmeghari ahụ na nkwupuru ke-àjà were na-egosipụta ihe e chere na ọ ga-enye aka ime ka ndụ na echicheobi rụkọta ọrụ ọnụ. Hụ Nnebedum, (2021).

Ekwealor (2009) kwuru na ejije pụtara mmadụ itinye onwe ya n'ọnọdụ onye ọzọ maọbụ ihe ọzọ iji mepụta ihe onye ahụ maọbụ ihe ahụ meburu. Mayo na ndị otu ya hụrụ ejije dịka inwe mmụọ mmepụta maọbụ ngosipụta emereeme bụ ihe zuru ụwa niile ọnụ na-egosipụtakwa onwe ya n'ebe ọbụla mmadụ na obodo jupụtara dịka Europe, Asia, Afrịka (tụmadi ala Igbo) nakwa n'etiti ndị India nke Amerịka. Ha gbakwunyere na ejije bụkwa ihe ngosipụta nke ederede nkà odee ejije. Alexander Dean na Lawrence Garra n'ime Djisenu (1995:56) siri na ejije pụtara, "egwuregwu maka mmadụ (agwa) n'ime otu ihe/ihe ọzọ (akụkọ maọbụ emereeme) bụ onye nzimozi (asụsụ maọbụ mmeghariahụ) ihe (uche/echiche) n'ụzọ dị aṅaa (ụdaụda maọbụ mpụtara ihe) N'otu ebe/ebe ọzọ (nkwago maọbụ mbaraama). Ebe a kwa, Djisenu kọwapụtara na Dietrich na Duckwell hụtara ejije ka akụkọ dị n'ụzọ mkparịtaụka iji gosipụta nsogbu maọbụ ọdachi cheere mmadụ aka mgba n'ihu, nke nwere ike ịpụta n'ụzọ trajidi maọbụ kọmiiki; a na-emepụtakwa nke a site n'ihe enyemaka asụsụ na emereeme n'elu nkwago ruo na ndị nlereanya. A na-ezipụta akụkọ na abụ site n'ụzọ ekwumekwu ebe ejije bụ n'ụzọ mmeghariahụ maọbụ n'ọtụtụ mgbe site na ngwakọrị agụgụ ọnụ na imeghari ahụ nke a na-eme n'ọgbọ, ama egwuregwu maọbụ obom. Na nkenke, ejije na-ejije ndụ na obibi ndụ bụ nke e ji asụsụ nkà akọwapụta n'usoro ọmụmụ iwu agụmagụ nabatara iji mee ngosi ya.

**Mmalite ejije na ndụ ndịigbo**

Omenala ọbụla maọbụ obodo ọbụla nwere agụmagụ ya. Nke a pụtara na omenala/obodo ọbụla nwekwara ejije, ebe ọ bụ na mmebere agụmagụ bụ - iduụazi (akụkọ), ejije na abụ tinyere obere ngalaba ndị ọzọ Azụonye kpọrọ *miniature forms* n'asụsụ Bekee - ilu, akpaalaokwu,

CC BY-NC-ND
DOI: https://dx.doi.org/10.4314/jolls.v15i2.28

okwuntụghị, agwụgwa dgz. N'agbanyeghị na omenala ọbụla nwere ejije, usoro ntolite na mmepe ha amaliteghị n'otu oge nke ha ga-eji gbaa nhatanha. Ọ dị mkpa ị mata na ejije malitere na mba Greek n'afọ 534B.C maọbụ 5th century B.C. E sitere na mkpụrụokwu Greek a kpọrọ *dram*"(*to do*/*to act*) nke pụtara "ime/igosi" maọbụ "ịmepụta/igosipụta" nweta drama ya bụ ejije. Onye izizi mebere maọbụ gosipụtara emereeme n'ejije maọbụ jijie mmadụ/ihe bụ nwoke a kpọrọ Thespis ebe Aeschylus bụ onye nke abụọ, Sophocles bụ onye nke atọ ma Eurepides bụ onye nke anọ.

A bịa kpọmkwem ka ejije sịrị metụta maọbụ gbasa ndị Igbo, e nyere ya ọtụtụ aha dị iche iche dịka "anịga" maọbụ "egwuregwu". Anịga ka ndị ọkachamara siri hụ ya ezuchaghi oke n'iwebatacha ihe ndị ahụ mebere ejije dịka emereeme, mgbaàmà, enyemaka ncheta dgz. Ndị a wee kpọọ ya egwuregwu. Ụfọdụ siri na egwuregwu nwere nghọta nke mere ya ọ dịka ihe ụmụaka. E wee kpọọ ya ejije nke bụ ijije ọnọdụ, ọdịdị, agwa, maọbụ mmadụ. E nwekwara ike jijee ụganị, ụkọ nri, ndị o ji ọbara akpa ego, iru uju na aṅụrị, ọmụmụ nwa dgz. Ejije ederede Igbo ebidoghi n'oge ka iduụazi. Ọ bụ n'afọ 1974 ka ejije mbụ pụtara n'Igbo. Ejije a bụ "Udo Ka Mma" nke Dọkịta A. B Chukwuezi, onye abụghị onye amụmamụ Igbo dere kama ọ bụ dọkịta n'ụlọọgwụ. O nwetara mkpalite nke mmụọ iji dee ejije a. N'afọ ahụ kwa, S.O Mezu wepụtara ejije ya ọ kpọrọ "Ụmụ Ejima". Mezu n'onwe ya anọghịkwa n'amụmamụ Igbo. Bido n'1980 gawa, akwụkwọ ejije Igbo abawanye site n'idi uchu na nzụlite ụmụ Igbo na nkà edemede. Ọ bụladị ndị na-arụ ọrụ na redio na televishọn dịka Chike Gbujie na Walter Eneore esorola dee ejije.

**Ụfọdụ Akwụkwọ Ejije E Dere n'Igbo.**

| **Ụdị EJIJE.** | **Aha Akwụkwọ.** | **Odee.** | **Afọ Mbipụta** |
|---|---|---|---|
| Ọdachi/Mgbaanyammiri | *Omewere Ma Chi Ekweghị* | Nnebedum, T. N | 2025 |
| Ejije Ọyị | *Ije Nwoke Na Nwaanyị* | Nwalị, M. C | 2020 |
| Ụtọmụfụ/Trajikọmedi | *Ebe Nwaanyị Chere Ihu Dị* | Nwalị, M. C | 2019 |
| Ejije Ọyị | *Onye Chi Na-Azo* | Nnebedum, T. N | 2019 |
| Ejije Ọyị | *Ụwa Adịghị Ka E Chere* | Ogbonnaya, M.O | 2017 |
| Ọdachi/Mgbaanyammiri | *Aka Onye Ji Tụọrọ Mmadụ...* | Awụgo, B. C | 2017 |
| Ụtọmụfụ/Trajikọmedi | *Tụkwasị Chi Obi* | Ọdịbanamma, U.L | 2016 |
| Nkụzi/Ịdọakananti | *Nganga Bụrụ Ụzọ* | Nwaọgụ, I.N | 2015 |
| Ejije Nkoweobineelu | *Eze Si Na Chi* | Ogbonnaya, M.O | 2014 |
| Ejije Mkpaobiọma | *Ahịa Ọma Na-ere Onwe Ya* | Ntiajụokwu, M. J | 2013 |
| Ejije Mkpaobiọma | *Nwadiugwu* | Ezejesi, N.R | 2012 |
| Ejije Nkoweobineelu | *Ikpe Mara Eziokwu* | Nwokelue, R. M | 2011 |
| Ọdachi/Mgbaanyammiri | *Omekịịtọrọ* | Ezejesi, N.R | 2011 |
| Ọdachi/Mgbaanyammiri | *Agwọ Bara N'Ọnụ* | Ọzọagu, R. E | 2010 |
| Nkụzi/Ịdọakananti | *Akpịrị Richie Ụzọ* | Obidiebube, J.I | 2009 |
| Nkụzi/Ịdọakananti | *Ekwe Ekwe Na-Ekwe N'Ute Ekwere* | Ezeibe, B.U | 2007 |
| Nkụzi/Ịdọakananti | *Iko Onye Ji Ama...* | Agwụna, S.O | 2006 |
| Ọdachi/Mgbaanyammiri | *Ọnọdụ Ugo* | Obidiebube, J.I | 2006 |
| Nkụzi/Ịdọakananti | *Onyemaechi* | Iwuba, B. G | 2005 |

| | | | |
|---|---|---|---|
| Nkụzi/Ịdọakananti | *Onye Gawara Njem Nyụchie Nsị Ụzọ* . | Asọgwa, M.G | 2004 |
| Ụtọmụfụ/Trajikọmedi | *Ọnụ A Kọrọ Onye Ụwa* | Agwụna, S.O | 2004 |
| Ejije Mpụ na Nchọpụta | *Ajọ Obi* | Nwaozuzu G.I. | 1998 |
| Ejije Nkoweobineelu | *Oji Ihe Nwata* | Okoro, L.C & Epuchie, D. N | 1995 |
| Ejije Mkpaobiọma | *Nwata Bulie Nna Ya Elu* | Nwadike, I.U. | 1992 |
| Ejije Mkpaobiọma | *Ezinne* | Anyasodo, C. | 1989 |
| Ejije Mkpaobiọma | *Ọnụkwube* | Ọdụnke Artist | 1986 |
| Ụtọmụfụ/Trajikọmedi | *Akụ Fechaa* | Anaelechi, B.C | 1980 |
| Ejije Nkoweobineelu | *Ọjaadịlị* | Ọdụnke Artist | 1977 |
| | | | |

E wezụga ejije e dere n'akwụkwọ e nwere ike imepụta ejije ọgbara ọhụụ na redio, televishọn maọbụ silima. Na nchịkọta, ọ dị mkpa ịmata na ejije bụ nkà n'ihi na a bịa n'ejije, eji nkà ekwu okwu, ele anya, eri nri, ebe akwa ọ bụlagodu ijije ọnwụ, e jikwa nkà ejije ya. E nwezịrị ike chịkọta ma kwuo na ejije bụ ihe nịile gbara obibi ndụ. Nke a gụnyere ma ihe ndị a hụrụị anya, ndị e chere n'echiche nakwa ndị e cheghị n'echịche nke nwere ike ime eme nakwa nke enweghị ike ime eme.

**Akparamaagwa**

Ndụ mmadụ jupụtara n'agwa dị iche iche nke sitere n'ọmụmụ ya, ezinaụlọ ya, omenaala ya, ekpemekpe ya maọbụ agbụrụ o si wee pụta. Agwa mmadụ na-agbanwe, ọ kachasị mgbe ọ topụtara. Agwa bụ omume mmadụ nke gụnyere ije ụkwụ, okwu ọnụ, anya e lere ele, ọchị ya na ụdị omume dị iche iche eji mara mmadụ. E nwere agwa ọjọọ na agwa ọma. Agwa ọma maọbụ ezi agwa bụ nke a ga-ahụta dịka oge mmadụ mere ihe o kwesịrị ime, oge o kwesịrị ime ya na etu o si kwesị ime ya bụ ihe. Ezi àgwà bụ oge onye/ndị mere ihe ọma ma zere ihe ọjọọ. Ọ bụ ndụ e meziri emezi ma bụrụkwa ndụ a gọziri agọzi. Ọ na-eme ka ndụ na omume mmadụ jụọ oyi ma mee ka onye ahụ nwee udo. Agwa ọma/ezi agwa bụ nke a sịrị na-enye ndụ ọma (Ọfọmata 441). Iji maa atụ, tupu mmadụ enweta akwụkwọ ikike ịbụ onye mba Amerịka, onye ahụ ga-egosi ezi agwa ọma o pekata mpe ihe zuru afọ ise dịka iwu ala ha siri dị. Nchọcha ndị National Institute on Drug Abuse (NIDA) mere n'afọ (2005) kwuru na ihe akwụkwọ iwu na-achị obodo ha kọwara maka ihe ezi agwa bụ ebe nkeji 101(f) nke I.N.A (Immigration & National Act) kọwara ihe ọ bụghị. N'okpuru ọwara a, ọ kọwara na onye ọ bụla gburula mmadụ, onye na-agba akwụna, aṅụ anwụrụ ike, aṅụfe mmanya oke na ihe ndị ọzọ yitebere ibe ha agaghị asị na ya nwere ezi agwa. Ebe ihe ọjọọ dịka o si metụta ndụ na nkwenye ndị Igbo gụnyere: ntajianya, mpako, nganga, ekworo, ngana, ụsa, okwu asị, igbu ọchụ, akwụna, mmegbu na ọtụtụ ihe ndị ọzọ. Mana n'ala Igbo, otu arụ kachasị arụ bụ mmadụ izu ohi ji.N'ihi ya, akparamagwa bụ nke e nwere ịhụta ka ụzọ maara mmadụ ahụ o si ebi ndụ. Akparamagwa mmadụ nwere ik dị njọ ma o bụ dị njọ Nke a mere ndị Igbo jiri kwuo na isi agwa ọma bụ ikwu eziokwu ebe isi agwa ọjọọ bụ izu ohi. Nkọwa ihe ịma atụ a na-emezi ka anyị mata n'ezi agwa bụ mgbe mmadụ gbaara ihe ndị ahụ obodo na-asọ nsọ ọsọ.

N'ala Igbo, okorobịa na-ezu ohi, egbu ọchụ, ada ngana, egwu wayo, maọbụ adakpo nwaanyị n'ike agaghị asị na ya nwere ezi agwa. A bịakwa n'akụkụ nke agbọghọ, nwa agbọghọ ọbụla na-agba n'ezi, dara ngana maọbụ enweghị nsọpụrụ bụ onye a na-ahụta dịka onye nwere ajọ agwa. N'ihi nke a, ọ bụ ajọ agwa ka anyị ji kọwaa ezi agwa makana ha dị ka ihu aka na azụ aka (Nnebedum, 2022). Agwa bụ nwa nduụzọ nke na-eme ka anyị mejupụta ebumnuche anyị ma ọ dị mma ma ọ dị njo. N'ihi nke a, ọ dị mkpa ka ndị ala anyị tụmadi ụmụ na-eto eto gbanwegharia omume ọjọọ ha ma nwogharia onwe ha n'ebe ime ihe ọma

CC BY-NC-ND

dị. Agwa ọma dị iche iche na-eme ka mmadụ nọdụ n'ogogo dị elu, nwee ọganihu, nsọpụrụ, ugwu na ngọzi, bụrụ onye a na-eńomi ma agwa ọjọọ na-eme ka mmadụ dalue ala, nọdụ n'ọnọdụ ọchịchịrị ma nata ntaramaahụhụ na-eso ya.

**Ndi Ntorobịa**

Ndị bụ ndị nwoke na nwaanyị na-esite na nwata na-abanye ibu okenye. Ha bụ ndị ọbara ha ka dị ọkụ na ndụ nke mere ka ihe niile ha na-eme bụrụ n'ike n'ike. Ọtụtụ n'ime ha enweghi ihe ha ji ndụ ha kpọrọ nke mere ka ha na-akpa agwa masịrị n'eleghi anya n'azụ. Ọ bụ oge dị otú a ka ụfọdụ maara ihe ji ahazị akparamagwa ha iji baara onwe ha, ezinụlọ ha na obodo ha uru ebe ndị amaghị ihe/nzuzu jikwa oge a ala n'iyi. Ọfọmata (2013) kọwara ndị ntorobịa dịka ndị mmadụ (nwoke na nwaanyị) topụtara ọhụrụ n'obodo bụ ndị jupụtara na ndụ na ume ọhụrụ. Ihe niile banyere obodo ịdị mma maọbụ njọ bụ n'aka ndị ntorobịa ka ọ dị n'ihi na ọ bụ ha bụ a tụọ ma a mụghị dị n'obodo ọbụla. Ọgbalu (1981), kọwara na a bịa n'ala Igbo, na e nwegasịrị ọtụtụ emume a na-emegasịrị mmadụ (ma nwoke ma nwaanyị) site n'aka ndị nne na nna onye dị otú a tupu onye ahụ etozuo ịbụ okorobịa maọbụ agbọghọbịa. Ụfọdụ emereeme ndị ahụ gụnyere: ịma/ịba mmọnwụ, ịwa akwa, ime okorobịa maka ndị nwoke ebe iru mgbede, emume ụdara, idu mbilite, ime agbọghọ dg bụ maka ndị nwanyị. N'ihi emereeme ndị a a na-eme, ọ kọwara na ọtụtụ ndị ntorobịa n'oge gboo bụ emume ndị ahụ na-enye ha ohere ịkpa agwa ka mmadụ ghara ịbụ ofeke makana na ihe e ji ama ndị ntorobịa bụ mgbanwe pụtara ihe n'akparamaagwa na n'ebimndụ ha. N'oge ugbua, ndị nọ n'ogo Sekọndrị, mahadum nakwa ndị na-amụ ọrụ aka dị iche iche bụcha ndị ntorobịa. Weg (1981), kọwara si na ọ bụ oge e ji enwe ọkpụkpụ aka, akpa ike, enwe ume dị egwu nakwa oge arụ ji agbasị ike ma kwuru chim. Ọ gara n'ihu si na ọ bụ e ji etozu oké n'ihe niile nakwa n'akụkụ niile n'ebe ọ metụtara ezi mmekọrịta mmadụ na ibe ya, inwe akọ na uche dị nkọ, inwewanye ọgụgụisi na ime ihe ọfụma. Ọ bụ oge mmadụ nọ n'uju ndụ ya. N'aka nke Erikson (1968), ọ si na ọ bụ oge mmadụ ji achọ ezi nnọkọ tinyekwara oge nnọchapụ (nnọchapụ n'ihi ụjọ nke mmewa obi). Neugarten (1968), chọpụtara na oge ndị mmadụ ji enwe ezi mkpebi maka ọrụ na mmalite ezinụlọ dị iche iche n'ihi ogogo mmadụ, omenaala ndị, agbụrụ, ọnọdụ ịbụ nwoke maọbụ nwaanyị. Berger na Thompson (1998), kwuru na oge ntorobịa bụ oge kachasị nwee ihe ịmaakaniru ma jupụtakwa na mgbagwoju anya na nghọtahie banyere ndụ.

**Onye bụ onye ntorobịa**

Jean Jacques (1712-1778), tụpụtara usoro nkewasị ntorobịa oge ọ na-eleba anya n'agụmakwụkwọ ndị mba Poland n'ime akwụkwọ ya ọ kpọrọ Emile. Ozi dị n'ime akwụkwọ a kọwara na:

i. Nwata ọbụla dị mma; ma tinyere na nwata ọbụla na-amụbawanye na mmụta ka ọ na-eto.
ii. Gburugburu ndị okenye jupụtara na mpụ na aghụghọ, n'ihi ya, nwata ọbụla nọ na gburugburu a too ga-amụta ajọ agwa ndị a.
iii. Nke ọzọ were bụrụ na ndọrọndọrọ ọchịchị dị n'obodo nwere ihe ọ na-etinye maọbụ na-ewepụ na mmụta nwata kwesịrị inwe.

N'igakwa n'ihu maka ntụnye ya nye mmụta, o kewara ogo ụtọ nwata ụzọ atọ ndị a:

i. Ogo nwa ọhụụ were ruo n'abụm nwata, afọ 0-12.
ii. Ogo obele ikoro na agbọghọ, agbata afọ 12-15.
iii. Ogo mbanye ntozu ntorobịa, agbata afọ 15-26.

Nchọcha a lebanyere anya na ndị ntorobịa nọ n'agbata afọ iri na ise ruo n'afọ iri atọ na ise (15-35). Jell-bahlsen (2017:197) kọwara na ọ bụ otú ndị ntorobịa a na-ejere obodo agha ma agha su, n'ihi ya, ha bụ ndị a na-akpachapụrụ anya n'ihi na ha dị mma, obodo adị mma; ha na-akpa ezi àgwà, obodo a na-aga n'ihu ma ha na-akpa ajọ agwa, obodo a na-adaghachi azụ. Ndị ntorobịa bụ ndị na-eweta mgbanwe nye obodo. Na nkọwami, onye ọ bụla ụbụrụ na ahụ ya zuru oke, o tozuo ịma ihe dị njọ na nke dị njọ ma ọ bụ nwoke ma ọ bụ nwaanyị bụ onye ntorobịa.

**Nganga na mpako**

Ndịigbo bụ agbụrụ nwere omenaala e ji mara ha nke ha kwenyeresiri ike na ya. Nkwenye ndị Igbo bụ na ibi ezi ndụ amaka ebe ịkpa ezi agwa kacha mma n'ihi ọbụla mmadụ na-eme. Ha kwenyekwara na onye ọ bụla biri ajọ ndụ maọbụ na-eme omume ndị mmadụ na-agbarụrụ ịhụ ga-anatarịrị ntaramahụhụ dịịrị ya. Otú n'ime akparamagwa ọhaneze na-agbarụrụ ịhụ bụ mpako, ibi ndụ okomoko na ịkpa nganga bụ nke mere ha ji atụ ilu si nganga bụrụ ụzọ, ọdịda esochie ya. Ihe ndị na-ebute mpako na nganga gụnyere: onyinye ọnatarachi mmadụ, oke nturuugo n'ihe ọ bụla mmadụ na-eme, ogogo ezinaụlọ mmadụ n'ụdị ọgaranya nakwa nnukwu mmadụ, ihe onwunwe, mmadụ ị na-eche na ọ nweghị onye dị ka ya maọbụ na ọ kacha ndị ọzọ mara ihe dgz ebe agwa na-eso mpako na nganga bụ: mkpari mmadụ, enweghị ugwu na nsọpụrụ, ịkpa oke, ileda mmadụ anya, inwe mmasị iji ndị ọzọ mere odibo, mkpọchinti na anabataghị ezi ndụmọdụ. Akwụkwọ nkọwa okwu bekee kọwara nganga dịka mgbe mmadụ ná-egosipụta na ọ ka ndị ọzọ mma maọbụ dị mkpa karịa ndị ọzọ ma kọwaa mpako dịka mmadụ ikwu okwu maọbụ mee ihe gosiri nganga mmadụ n'ebe ihe ọ nwere maọbụ ihe ọ ga-emenwu.

Ọnwụdufor (2007), kọwara na nganga bụ mmadụ ibuli onwe ya elu karịa ihe ọ bụ. Dịka o kwuru, nganga na-apụta ihe site n'omume maọbụ okwu ọnụ. Ọ gara n'ihu si na ihe ọjọọ dị iche iche na-esote nganga n'azụ. Ọ sịkwara na onye nganga bụ ọkpụrụkpụ asị tinyere na ileda mmadụ anya na ọchịchọ ọjọọ dị iche iche bụ aka ọrụ nganga. Na nchịkọta, ọ sịrị na mgbe ụfọdụ, mmadụ mee ngara n'ihe ọ maara maọbụ ihe ọ bụ, ugwu na-adị ya ma ya emebigala ya oke.

Nganga na mpako bụ ji na ede. Ha na-agakọ ọnụ. Agaghị akpọ otu hapụ ibe ya. Onye nganga bụ onye ngala ebe onye mpako bụ onye okomoko. Ọ bụ ezie na ha abụchaghị otu ihe mana ọ hiara ahụ ikewa ha n'ihi na onye ọbụla bụ onye nganga ga-abụriri onye mpako. N'otu aka ahụkwa, agaghị ahụta onye na-azọ onwe ya maọbụ onye bụ ọgbọ ya ụzọ ruo ebe/ogo dị elu ka onye nganga dịka ụfọdụ sị ahụta maọbụ eche makana chi/akaraaka abụghị otu. Obierozie (2005), gosipụtara nke a n'abụ ya ọ kpọrọ "Akaraaka" ebe ọ kọwara na akaraaka nwere ike ime mmadụ ọ ka nọrọ na-achụ oke ebe ibe ya na-achụzi mgbada. Okwu ndị nganga anaghị ekwe okwukwu. Ndị mpako bụ ndị na-achọ ọjịja ma bụrụkwa ndị bụ a na-eto ha, isi ha a na-ebu na-aza ebe ha na-ekosa aka, na-ebuli oké ubu ha ma na-afuli elu ka achịcha koro eko na bọọlụ a fụnyere ikuku. Ndị mpako na ndị nganga na-eme ngala nke ukwuu maka na ha na-eche na ha dara oke ọnụ ahịa.

**Nganga na mpako n'ejije ụfọdụ.**

Mmadụekwe (1979), kọrọ akụkọ otu onye a mụtara n'obodo ndị mpako na n'ezinụlọ nganga jegidere ije ụwa wee dabaa n'iluru di gawa obodo ndị ha na-ewere na e wedara ha n'ala n'etiti mba dum. Ọ bụ mpako dị adị n'ezinaụlọ Ụkọha bụ uguru tụnyere ọkụ n'echiche ha mere ka ha gaa obodo Gụdele ịdọkpụpụta Ọbịageri n'ike ebe ọ gara ilu di kworo n'ihi na ha hụtara na ya ibiri obodo ahụ bụ imerụ onwe ya, ezinaụlọ ya na obodo ya nke mere ka ha zute ihe mberede. Nganga mere ka Ọbịageri nwụọ ọnwụ ihere n'erughị eru n'ihi na o rubeghi isi debe iwu na omenala ndị obodo dị ya. N'akụkụ nke Anaelechi (1980), ọ kọwara na ọ bụ nganga mere Agụ jiri kachie ntị ma sie ọnwụ na ọ gaghị abụ eze agbara Iyi mgba. Ọ bụladị ije zaa oku ndị ụlọ na-akpọ ya ma ọ bụ gee ntị ezi ndụmọdụ na arịrịọ nwunye ya na ndị enyi ya ndị hụrụ n'anya na-enye ma na-arịọ ya emeghị ka o nwee ntụgharị uche. Ọ jụwara isi makana o chere na ọ bụghị onye dịka ya nwere ezigbo ọrụaka agbamnta) bụkwa eze afọ jụrụ ga-abụ eze agbara kama ọ bụ ndị enweghị ka ọha ha ọha obodo ga ná-atụrụ nri tinyekwara na ịbụ eze agbara bụ ọrụ ndị a gọọrọ arụsị ọ bụghị oke amadị dịka ya. Agụ mechara kwere n'ihe otu kwuru mgbe iyi mgba ziri ya ihe ọkụ ji ntị oke eme.

Agwụna (2004), dere na ọ bụ nganga na mpako mere ka Nwanganga kparịa ma ledaa Chinenye (nwụnye nwanne ya nwoke) anya nke ukwuu. Ọzọkwa, o ji n'ihi ego Nwabụnike (nwanne ya nwoke) nwere wee mesoo Naatị (di ya) ajọ omume n'ihi nganga ya nke mere ka dị ya gbaa ya alụkwaghịm n'ihi na ọ (di ya) hapụrụ ya na nwa ha nwoke ọ mụrụ lakwuru nwaanyị nke mere ka Nwanganga si be di ya lọghachitekwa azụ be nna ọ wee mara na uguru na-atụ oyi.

Asọgwa (2004), mere ka ndi ntorobịa mara na nganga, mpako, isiike, ịgba akwụna na ịgba ọtọ n'okporo ụzọ agagharị abụghị ya bụ na

mmadụ na-eto agbọghọbịa maọbụ okorobịa. O gwara ndị ntorobịa ha emekwala na o kwere ha omume makana a gbachaa egwu, ọ laa n'ukwu. Onyekaọnwụ (2008) gosipụtara na ọ bụ nganga na mpako mere Awọrọ boo Obiọma ebubo (n'ihi na o kwenyere na ya bụ nwa Obidike (agụ ndụ) agaghị alụ nwaanyị mgbakwụte) inye ya nsị bụ nke mere ka a chụlaa Obiọma be nna ya ma kpaa nkata ọjọọ e ji tọrọ ma refuo Obiọma na nwa ya n'ohu. N'ikpeazụ, Awọrọ ghọọrọ mkpụrụ ọjọọ ọ kụrụ n'ihi na nkata ọjọọ ọ kpara mechaara kpudo ya.

N'aka nke ọzọ, Nnebedum (2019) n'akwụkwọ ejije *Onye Chi na-Azọ* na-egosi na mwedaonwe n'ala, ịdị uchu, ịdị nwayọ, ịgba mbọ na ịnabata ezi ndụmọdụ bụ agwa dị mma ụmụ na-eto eto kwesịrị ịdị na-akpa n'oge niile makana ọ na-eweta ngọzi, ọganihu na chi/isi ọma dịka a hụtara na ndụ isi agwa bụ Asịọgọ ebe ejighị ezi ndụmọdụ kpọrọ ihe, iwe ọkụ na ajughị ajụjụ wee rie na-eweta nkọcha, ntaramahụhụ na ọdachi dịka a hụtara na ndụ isi agwa bụ Menike n'akwụkwọ ọgụgụ *Omewere Ma Chi Ekweghị* nke Nnebedum(2025) dere. Nwalị (2020) gosipụtara na ọ bụ okomoko isiagwa bụ Emeka ga-emebiri ya ihe n'ihi na ọ bụ okomoko mere o ji ahụta ezi ndụmọdụ nwunye ya na-enye maka ịkwụsị ịga ije abalị na ise anwụrụ ike dịka ịtụrụ ya iwu ihe ọ ga-eme. Ntịajụokwu (2013) gosipụtara na ọ bụ ngala juru ọtụtụ ndị ntorobịa isi mebiere ha ihe. O kwuru si na onye rie ihe chi ya na-enyeghị ya n'ihi nganga, ihe ahụ ga-eko onye ahụ n'akpịrị makana onye buru chi ya ụzọ gbawa ọsọ, ọ gbagbuo onwe ya n'ọsọ. O mekwara ka anyị mata na onye ekweghị ka ọ hà e bufee ya ama nna ya. N'ihe nkiri a kpọrọ *Chief Odenigbo and the Brotherhood* (2025), nganga mere onye isi ndị otu nzuzo (grand master) cheere Odenigbo aka mgba n'ihi na ọ hụtara ya dịka mmadụ nkịtị n'amaghị na ike Chineke dị ya n'ime. Ma mgbe ike na ike jekọrọ, ewe mara na ike Chineke karịrị ike ekwensu nke mere ka ekwekwe kwe n'ute ekwere.

**Ntụleghari atụtụ mmụgharị**

Nchọcha a ga-agbalị ịtụlekọrịta ụfọdụ atụtụ dịka ha sịrị metụta agụmagụ tụmadi ebe ha metụtara ejije ndị Igbo nye nkwenye ha. Ndị ọkàmmụta n'agụmagụ mere ka anyị ghọta na a ka na-agba mbọ inweta atụtụ ka mma a pụrụ iji nyochaa agụmagụ. Ọ bụ sitezie n'ịgba mbọ ndị ọkàmmụta n'inye nkọwa n'ụzọ e nwere ike isi nyochaa agụmagụ ka e si nwetazie atụtụ ndị a: atụtụ ngụgọ, atụtụ mmekọrịta mmadụ na ibe ya, atụtụ mkpakwasị agwa na atụtụ mbikọ ọnụ.

**Atụtụ ngụgọ:** onye tụpụtara ya bụ Abrams na 2005. Ọ bụ atụtụ na-ekwu ka a na-etinye ihe mgbado ụkwụ nkwenye ndị dị iche iche oge ọtụcha na-atụcha agụmagụ. Ihe nke a na-akọwa bụ na nkwenye dị iche iche n'ihi ya agụmagụ kwesịrị ịhụta ihe ndị a. Atụtụ a chọrọ ka agụmagụ zipụta nkwenye ndị nwe agụmagụ site na nka odee nwere. Ihe nke a na-akọwazi bụ na agụmagụ kwesịrị ịbụ enyo eji ahụ na ihe ha kwenyere na ya. N'ihi n'agụmagụ bụ enyo eji ahụ ndị, nke a mere ka atụtụ a dị mma iji tụchaa ejije na akọmakọ/nkọmịrịkọ dị iche iche. A bịa n'ebe o metụtara nkọmịrịkọ, Nnyịgide (2014) na Ogene (2012) n'ime Mbah na Mbah (2014:121) kọwara na atụtụ a dị mkpa n'ikọwa nkọmịrịkọ ma gụpụta ụfọdụ n'ime ha dịka; usoro akụkọ, ụdị akụkọ, emereeme, isiokwu, nhụrụnuuche na motif dị iche iche. Usoro atụtụ si atụcha njiatụle bụ iwere nkwenye ndị were tụnyere ihe mere n'agụmagụ. Ebe ọ bụ na nwanne enwe bụ edi, a ga-ejikwa aka e ji foo ahịhịa wee foo ahịhịa. N'ihi ya, ebe e nwere ike iji atụtụ a wee tụchaa nkọmịrịkọ, a ga-ejikwa ya tụchaa ejije n'ihi na ha abụọ bụ ụmụnne. Mgbe a chọrọ iji atụtụ a wee tụchaa ejije, onyochaa ga-agba mbọ tụchaa etu odee ya bụ ejije sịrị wepụta nkwenye ọ ma maka ya nye ndị nwe ya bụ ejije ma were tụnyere akparamagwa mejupụtara ya bụ ejije ahụ. Dị ka atụtụ a sị kọwa, ikwighikwighi anaghị ebe n'efu. N'ihi ya, akụkọ anaghị anọgide bido, a ga-enwerịrị ihe kpatara mmụọ odee ma bụrụ nke ọ ga-esite na nkà o nwere ebe asụsụ dị were zipụtach echiche miri emi. Mgbe ọgụụ gụchazirịrị ya, o sitezie na ya were chịgharia uche ma gbazigharịara onwe ya ebe ọ naghị emenyeta. A na-abịa site n'usoro nhazị odee nyere ya bụ akụkọ wee mata ntọala ọtụtụ nkwenye ndị a, n'ihi ya, atụtụ a bara uru n'ebe agụmagu ọ kachasị ejije dị. Mana n'ihi na nchọcha a anaghị atụcha mmebere akụkọ, agaghị eji ya were tụchaa njiatụle nye nchọcha a.

**Atụtụ mmekọrịta mmadụ na ibe**

Nke a bụ atụtụ Milroy (1987) nke na-akọwa na o nwere ihe jikọtara etu asụsụ a na-asụ sị agbanwe nye ka mmadụ si emekọritadebe n'obodo. Ntụ izugbe e ji atụ mmekọrịta mmadụ na

ibe ya gụnyere enwemagba, abụmoke, mgbamafọ dg. Mbah na Mbah (2014), kwuru na agbatịkwuru ntụ ndị a ka ha gụnyekwuo ịma mmadụ, mpụmụzọ, oge ngụdebe akwụkwọ, ebe obibi dg. Mmekọrịta mmadụ na ibe ya, na-ezipụta etu mmadụ nwedebere agba n'obodo dịka enyo otu o si asụ asụsụ nakwa okwu ọ na-ekwu. Ogbenye enweghi ọnụ okwu n'ebe ọgaranya nọ. Ndị ọgaranya (akajiakụ) bụ ndị nwere agba n'ezinụlọ, n'ụlọ ahịa na n'obodo ikwu maọbụ ime ihe ọ bụla dị ha mma. Mmekọrịta mmadụ na ibe ya na-eme nwere ike iduzi, nye ezi mmụta, ọmụma na nghọta e ji eso ụwa maọbụ duhie/kụziere mmadụ ịmụta ihe jọrọ njọ na ajọ akparamagwa.

**Atụtụ mbikọ ọnụ**

Ọ bụ atụtụ a ka emetụta amụmamụ na mmepe. Atụtụ a na-esi agụgọ na ndị ntorobịa na-amụta mpụ maọbụ ihe ọjọọ dịka ha si amụta omume site na nnọkọ ha na ndị ọzọ. Onye chọpụtara atụtụ bụ Albert Bandura n'afọ 1977. Albert kwuru si na nnọkọ dị nso dịka ezinaụlọ na otu ọgbọ na-enwe oké mmetụta n'ihe ha na-amụta. Mmekọrịta ezigbo mmadụ na ajọ mmadụ bụ ihe kacha edunye mmadụ ajọ ihe karịa ihe ndị ọzọ. Ya ka e ji asị na mmekọrịta/mkpakọrita ọjọọ na-emebi omume ọma. A na-amụta ihe ọjọọ site na mmekọrịta na ibikọ ọnụ. Mkpa atụtụ a dị nye nchọcha a bụ site n'agwa ndị ntorobịa ụfọdụ na-akpa nye ndị ọgbọ ha, ha na ha bikọrọ na ọhaneze gbaa gburugburu dịka o si pụta ihe n'agụmagụ ndị a họọrọ. Ọ na enye aka inyochapụta ihe na-eme n'obodo taa. Atụtụ ndị a ga-enye aka ịghọtakwa agụmagụ dịka ngwa mgbanwe.

**Atụtụ njiri mee nhọcha**

Atụtụ a gbasoro mee nchọcha a bụ atụtụ mkpakwasị agwa. Atụtụ mkpakwasị agwa nke John B. Watson chọpụtara n'afọ 1913 na-arụtụ aka n'amụmamụ gbasara mmụọ mmadụ. Ọ na-ekwu na a na-enweta akparamagwa niile site n'ọnọdụ. Ọnọdụ na-apụta site na mmadụ na gburugburu ya. Rachilin (1991) kwagoro amụma a elu mgbe o dere akwụkwọ ya ọ kpọrọ *Introduction to Behaviorism*. Baum (2005) tinyere atụtụ a n'omume, omenaala na mbipụta n'akwụkwọ ya. Mkpakwasi agwa ka gbasaa omume karịa echiche, mmetụta maọbụ ọmụma ihe. Ọ gbadoro ụkwụ na mbụnuche na omume a na-ahụ anya na nkwenye na e nwere ike ịzụ onye ọbụla ime ihe ọbụla n'agbanyeghị ihe dị ka agbụrụ onye si pụta, omume e jiri mara onye na echiche ime mmadụ. Ihe niile ọ na-ewe bụ ọnọdụ dị maọbụ nke dị njọ. Atụtụ a na-enye aka ịkọwa akparamagwa ndị mmadụ tụmadi ụmụ ndị akajiakụ na ndị nwere agba n'obodo nye ndị ọ nweghị ka ọ ha nne na nna ha. N'iji atụtụ a nyochaa isiokwu a, a na-ahụta akparamagwa mpako na nganga dịka ihe sitere n'ọnọdụ mmadụ hụtara onwe ya. Mpako Emuka na Igolo bụ makana ha bụ ụmụ akajiakụ ma site n'ezinụlọ nwere agba ebe nganga Ọjaadịlị sitere n'ọnọdụ nturuugo na mgba ọ na-agba.

**Nchọcha e emerela n'isiokwu**

Akpu, Medolu na Ugwuoma (2024) mere nchọcha n'ebe o metụtara anyaukwu na ntaramahụhụ so ya dịka ọ dị n'omenaala Igbo: nrụtụaka n'ejije Igbo abụọ sitere n'akwụkwọ ejije *Ihne Oye Metara* nke Okédịadị Nkechinyere dere *na Onye Ụlọ Egbughi Onye* nke Obidiebube Joyce dere gosipụtara anyaukwu dịka ajọ agwa nke ntaramaahụhụ na-eso. Nchọcha a e merela na nke a na-eme yitere n'ihi ha abụọ gbadoro ụkwụ n'ejije ma lebaa anya n'agwa ọjọọ ndị Igbo na-agbarụrụ ịhụ ma ndịiche ha dị n'ozi ha na-ezi. Otu bụ anyaukwu ma ibe ya bụ nganga. Obiọra Ekwueme et al (2024) n'isiokwu nchọcha ha ha kpọrọ Intersection of cultural dynamics and Igbo spirituality in Ọdụnke Artists'*Ọjọaadịlị*, ha rụtụrụ aka n'ebe o metutara omenaala, akaraaka, ekpemekpe (ihe ime mmụọ) na nkwenye ndị Igbo maka chi onye dịka a hụtara na ndụ Ọjaadịlị ma na-ekwukwa mkpa ọ dị ndịigbo ịchekwa omenaala ka ọ ghara ịla kpamkpam. Mana nchọcha a na-eleba anya n'akparamaagwa na etu o si emetụta ụmụ na-eto eto. **N**nebedum (2019) Mwepụta myiri na ndimiche dị n'ejije ọdịnala na gbaraọhụrụ ndịigbo kọwara n'uju ihe ejije pụtara, gosipụta malite ya na ndụ ndịigbo, kọwaa ejije ọdịnala, ejije ọgbaraọhụrụ, nka na aka nkà. Ọ gosipụtakwara myiri na ndiiche dị n'etiti ejije ọdịnala na ọrọrọ ọhụrụ. Na nchịkọta, o mere ka a ghọta na ejije bụ nkà, nkà bụrụ ejije maka na ihe nịile a na-eme n'ejije dịka ikwu okwu, ịga ije juputara na nkà.

**Usoro nchọcha**

Nchọcha a dabere n'atụtụ usoro omume na usoro nkọwasị wee gosipụta njiatụle anyị nwegasiri. Ụdị nchọcha bụ nchọcha nometiiv nke Nwabueze (2009) kọwara dịka nchọcha nke odee

CC BY-NC-ND
DOI: https://dx.doi.org/10.4314/jolls.v15i2.28

na-eji echiche aka ya eme ka ihe niile ọ maara gbasara ihe ọ na-eme na nchọcha ya pụta ihe. A gbasokwara usoro sọvee nkọwa wee mee nchọcha a. Nworgu (2006) hụtara usoro sọvee nkọwa dịka nke na-akọwa isiokwu, agwa maọbụ ihe a na-ahụta gbasara ndị e ji eme nchọcha n'usoro n'usoro, n'agbakọnyeghị maọbụ wepụ ihe ọbụla n'ihe a na-ahụta anya oge ahụ a na-eme ya bụ nchọcha. Ndị e bụ n'uche wee mee nchọcha a bụ ndị ntorobịa. Ebe mgbakwasị ụkwụ bụ ngwa nchọcha a bụ n'akwụkwọ ejije *Ọjaadịlị* nke Ọdụnke Artist bụ isi a hụrụ kwaa okpu tinyere *Nwata Bulie Nna Ya Elu* nke Inno Ụzọma Nwadike na *Nganga Bụrụ Ụzọ* nke Nwaọgụ N. Ijeoma. Ọzọkwa bụ site n'inweta ọtụtụ echiche site n'ọba akwụkwọ, ntaneeti, atụtụ na echiche ndị ọchịcha ndị ọzọ.

**Ntụcha njiatụle n'ebe o metụtara ndụ Ọjaadịlị.**

Ọjaadịlị bụ onye nganga ma bụrụkwa onye anaghị anabata ndụmọdụ. Ọ bụ nke a bụteere ya ọdachi n'ala mmụọ site n'egeghị ndụmọ. N'oge ugbua, nganga, mpako na ịnya isi na-achị tụmadi n'etiti ọtụtụ ụmụ na-eto eto kworo n'ihi otu ihe maọbụ nke ọzọ dịka mmadụ: nwere ọgụgụ isi, mara mma nke ukwuu, sị n'obi ọgaranya maọbụ nwere ego, nọ n'ọkwa dị elu/ọchịchị dgz. Nganga bụ nnukwu ntụpọ n'ihi na onye nganga anaghị ekwete na ọ nwere onye ọzọ nọnụ ka ya ugbo iri, ihe ọ ma bụ sọọ onwe ya. Ije ya na-abụkarị mụ na onye ha, mụ na onye ha ebe okwu ya niile na-adasị ụda ike ka egbe. Ọ bụladị mgbe a na-agwa ya jiri nwayọ n'ụwa dị ụfụ ọ naghị ekwete tụtụ ruo ọ gbara chi ya mgba, o wee mara na mmiri ọkụ na-egbu mbe Ihu ak. 63 nakwa, Ọnụọra (2006) n'abụ ọ kpọrọ *Agadị Nwaanyị Agbọghọbịa* maka ngosipụta nke a.

Nganga na mpako mere ọtụtụ ụmụ na-eto eto gụcharala mahadum na-akwụghari ka ozu akwaghị akwa n'aha ịchọ ọrụ kama iweda onwe ha n'ala gaa mụọ ọrụ aka iji nyere onwe ha aka ma rijuo afọ. Nganga na mpako mere ọtụtụ ụmụ na-eto eto na-amụ ọrụaka enweghị ndidi mụtacha ọrụ ọfụma ha ekwopu, n'enweghị ezigbo ọzụzụ na nnucha. Nganga chụpụrụ ọtụtụ mmadụ n'ọrụ. Nganga na mpako na-eme mmadụ ọbụladị mgbe ọ hụrụ n'ihe o mere adabaghị maọbụ na ọ mejọrọ, kama ọ ga-arịọ enyemaka/mgbazi maọbụ mgbaghara, ọ na-agba okwu okirikiri ebe ọ na-achọ igosipụta na ya ma ihe ọ na-eme. Ịnya isi abaghị uru ọbụla, ọ na-eme mmadụ ịghọ ahịa ma na-eweta ihere dị egwu mgbe ihe eji nyaa isi emeghị.

Ọjaadịlị ejighịkwa ndụmọdụ ndị mmadụ dịka Otuedo, Akirika, ihu akw. 48 & 9, ọ sị;

Otuedo: Ị na-anụkwa akụkọ?<br>
Ọjaadịlị: Ọ bụ mụ bụ Ọjaadịlị kwuru nke a. Unu<br>
mara ugo unu ga-etinye m, dewenụ<br>
Ya, mgbe m sị ala mmụọ lọta, unu ejiri ya<br>
bịa zute m.

Ihe ịma atụ a dị n'elu zipụtara okwu nke ya, ọ nụ nke ya. Ọnụkwube maọbụ nke Ugonwa, ọrịakụ (ihu akwụkwọ iri ise na abụọ ruo na nke anọ) egbochighi ya ịga mgba n'ala mmụọ. Mbọ niile a gbara ka ọ ghara ije mgba n'ala mmụọ bụ iwụsa mmiri n'okwute na iku na mpi atụ n'ihi na nkwenye Ọjaadịlị tupu ọ zaa ọka mgba, n'okwu ya, ọ ga-agbaru mgba n'ala mmụọ. Ọjaadịlị, n'agbanyeghị na o nweghị onye kwadoro ya nupụrụ njem gawa mgba n'ala mmụọ nke mere ka Ogwumagana sooro ya gawa ịbụ onye ọjà ya. Ọjaadịlị na ọtụtụ ụmụ mmụọ dị iche iche gbara mgba o merichaa ha tinyere mmụọ isi asaa.

Nke a mere ndị mmụọ kpebie ị dutere ya ikenga ya. Mgbe ikenga ya pụtara, Ọjaadịlị ledara ya anya nke ukwuu n'ihi na ọ bụ obere mmụọ n'amaghị na ọ bụ ikenga ya. Ntụpọ di egwu nke mpako na ịnya isi bara na ndụ Ọjaadịlị nke dubara ya n'ichere ikenga ya aka mgba. Mbọ niile Ogwumagana gbara ka Ọjaadịlị hapụ ịgbaso ikenga ya mgba bụ ịkwọ aka tiere ọkụkọ akị (ihu akwụkwọiri isii na abụọ ruo nke atọ) maka na mmeri Ọjaadịlị meriri ụmụ mmụọ ndị ọzọ bara ya n'isi (a hụtara nke a site n'azịza ọ zara Ogwumagana n'ihu akwụkwọ iri isii na atọ) ma o chefuru na elelie nwa ite, ọ gbọnyụọ ọkụ. Ọzọkwa bụ na onye cheere chi ya aka mgba bụ ọnwụ ka ọ na-akpọ oku. Ihe ahụ a na-atụ egwu ya mechaara mee ka Ọjaadịlị bakwuru ikenga ya ọgụ, daa n'ala nwụọ. Ma kaosiladị, Ogwumagana ji akwụkwọ Okwuma ngịlịnga ọnụ ji na-atụte ndị mmụọ Ọjaadịlị nwụturu, were ya tụnye Ọjaadịlị n'imi na ntị nke mere ka Ọjaadịlị kwaa ụkwara ma bilikwaa.

**Agwa onye ga-agwa m na ndụ Ọjaadịlị, Emuka na Igolo.**

Ọ bụ bụ ndụ onye agwala m rapụtara isi agwa atọ ndị n'ejije atọ ndị anyị na- atụle. Nganga, mpako na ejighị ezi ndụmọdụ kpọrọ ihe tinyere Emuka na Igolo n'ọnọdụ ihere ma bụrụkwa ihe kaara idula Ọjaadịlị mmụọ n'oge erughị eru. Emuka zara kwaribe akụ n'obodo Ogbundiọma. Akụ na ụba nna ya ọ ji aṅaa isi mere na ọ kwenyeghi na uguru na-atụ oyi wee ruo na ọ jiri eze kpee ekwere. Mpako mere na anya erughị ya ala ka ọ mara na ndị nọdebere bụ makana n'akpa ya dị arọ ka ha ji eru ya nso. Ha na-etu ya aha dị iche iche nke mere ka isi buo ya ọ wee na emekasi okpogo eleghị anya n'azụ. Ọ chọpụtaghi na ndị ahụ gbara ya gburugburu bụ ndị erigbuo kpọrọ ya asị ma nwee obi ọjọọ n'ebe ọ nọ. Mpako mere na ọ dịghị uchu maọbụ nabata ezi ndụmọdụ nna ya nyere kaara inyere ya aka ná ndụ. N'ikpeazụ ego niile Emuka napụtara nna ya n'ike gwụchara, ọ wee foo ya n'anya. Ọ tara ahụhụ nke ukwuu ma husie anya ebe ọ na-achọ nri ọnụ ma ndị nyeere aka richaa ego ya gbahapụrụ ya nakwakwa ya emo si na ọ bụ onye iberibe.

N'otu aka ahụkwa, ọ bụ nganga na mpako mere ka Igolo daa ngana ma nwee ajọ agwa ebe egeghị ntị ezigbo ndụ Ekweredike nna ya na, Ulimma enyi ya nwaanyị na-enye ya chụpụtara ya na di, ọ wee foo ya n'anya. Ọjaadịlị n'akụkụ nke ya chịrị eze onye agwala m nke mere na ihe niile a gwara ya ka ọ ghara ije mgba be mmụọ na arịrị/akwa nne na oriakụ ya egbochighi ya ime ihe di ya n'obi. Ọ kachịrị ntị mee ihe dị ya n'obi nke na e wezụga na Ogwumagana sooro ya jee ije ahụ, ụmụ mmụọ kaara iji ya gbaa azi. Ọ bụladị n'ala mmụọ, Ọjaadịlị gara n'ihu na-esi ọnwụ nke mere ka ụmụ mmụọ were ikenga ya siere ya ajọ ọnyá, ọ dabaa n'ime ya ma chi ya mmụọ anya na Ogwumagana nọ ebe ahụ ma ọ bụghị akwụ bara n'ìgwè/ikwe aghọwo mmanụ.

**Ozi ndị ọzọ miri emi mejupụtara ejije atọ ndị a:**

***Ọjaadịlị***

i. Anyị ga-emere obodo anyị ihe anyị nwere ike dịka anyị hụrụ na ndụ Ọjaadịlị. (ihu akwụkwọ 12-15,30-34).
ii. Ọ dị mma na mmadụ ga-eji onyinye ọnatarachi chi nyere ya wee kpọọ mkpa ma jiri ya baara onwe ya, ezinụlọ ya na obodo ya uru. (ihu akwụkwọ 39-42).
iii. Mmadụ idi uchu n'ihe ọ bụla ọ na-eme amaka.

***Nwata Bulie Nna Ya Elu***

**i.** Onye ataghị ahụhụ adịghị ama n'ụwa siri ike, etu dị ya mma na ihe sọrọ ya ka ọ na-eme mana akụ fechaa, ọ daara awọ; makana a gbacha egwu, ọ laa n'ukwu ebe a gbacha ọsọ, a gụọ maịlụ dịka anyị siri hụta na ndụ Emuka. (ihu akwụkwọ 5-9, 38-60).
**ii.** Mwedaonwe n'ala, nchegharị na nchịghari lakwuru onye e mejọrọ ma rịọ mgbaghara mmehie na-enye udo nke mmụọ, ezi ọṅụ na nnwere onwe. (ihu akwụkwọ, 70-72,93-94).
**iii.** Onye e mejọrọ gbaghara ma arịọ ma were ezi obi nabatakwa onye ahụ dịka nna Emuka siri mee. (94-96).
**iv.** Ọ bụghị mmadụ niile kpọrọ onwe ha enyi bụ ezi oyi. Ọtụtụ bụ maka ego dị onye ahụ n'akpa ka ha ji eru ya nso mgbe egwu gwuru ha gbalaga makana Igbo si na onye nwee ego, o nwee enyi (ihu akwụkwọ 66-69).

***Nganga Bụrụ Ụzọ.***

i. E jighị ka a dị be nna eje dị(ihu akwụkwọ iri na anọ na iri na ise) .
ii. Ndụmọdụ ndị nne na nna tinyere nke ndị n'ebe ọ metụtara alụmalụ bụ ihe ndị ntorobịa ga eji kpọrọ ihe n'ihi na ihe okenye nọdụrụ ala hụ, nwata rigoro n'elu ọjị ọ gaghị ahụ ya. (ihu akwụkwọ 10-12 na 42-44).

iii. Nna na nne kwesịrị ijikọta aka ọnụ na otu obi wee nye ụmụ ha ezi ọzụzụ n'agbanyeghị ma ọ bụ otú nwa ma ha adị ọtụtụ. (ihu akwụkwọ 21-26).
iv. Ajọ ọjà na-edufu dike dịka anyị hụtara na ndụ Igolo onye ajọ opi nne ya fuuru dufuru ya na be dị ya dụlata ya be nna ọ wee mara na uguru na-atụ oyi.(pg 46-47)
v. Nwa azughị azụ na-ebutere nne na nna nkoweobineelu ma na-ewetara ezinụlọ ihere (ihu akwụkwọ 35-41 na 49-50).

**Ọghọm na ọdachi na-esochi nganga na mpako:**

**i.** ịkwa mmakwaara
**ii.** inwe nnukwu ọdachi dịka ọnwụ
**iii.** mmadụ ịla ndụ, akụ na ụba na akaraaka ya n'iyi,
**iv.** ezigbo ihe ịfụnahụ mmadụ na ntaramaahụhụ,
**v.** enweghị ezi onye mgbazi, mkpọrọmọnụ na mkpọrọmasị, dgz.

**Nchịkọta, Mmechi na Aro**

Nganga abụghị ezigbo ihe, ọ na-emebi ihe mana ezi ndụmọdụ, ezi mgbaziri na ezi ọzụzụ amaka o gosipụtara n'ezie na nganga na-ebu ụzọ ma ọdịda na-esochi ya azụ. Ọzọkwa, na ndụ okomoko na-edubanye n'ịla akụ na ụba n'iyi tinyere na onye onye ejeghi ezigbo ndụmọdụ e nyere ya kpọrọ ihe ga-akwa mmakwaara n'ikpeazụ makana achụpụkata nwata n'ọkụ ka ọkụ ghara imerụ ya ahụ, ọ jụ, a hapụ ya ka o tinye aka ya n'ọkụ ma jiri aka ya dụọ onwe ya ọdụ. Nganga na mpako emeela ọtụtụ mmadụ ihe nke mere ka ha mụrụ akọ ma mara n'ụwa dị ọkpụ n'ihi na ụwa adịghị ka echere. Ije ụwa bụ jonjoloko. Ọ na-atụli elu ma na-atụda ala. E jighị ọnọdụ mmadụ nọ ya anyaa isi tụmadi mgbe mmadụ nwere isiọma n'ihi na, n'ụwa na-eme ntụgharị; ọ tọkata ụtọ, o luo ilu; ọdịkata mma, ọ dị njọ. Ndị nne na nna ga-ejisi ike ma gbadosie ụkwụ n'ala ike n'ebe ọ metụtara inye ụmụ ha ezi ọzụzụ ma kụzieri ezi usoro ebimndụ, ezi omume na àgwà ha kwesịrị ịkpa. Ha ga-atọrọ ụmụ ezi ntọala ma mee omume kwesịrị ịnọmi. Ha agaghị abụ ndị mpako, ịnya isi na nganga jụrụ isi kama ha ga-abụ ndị nwere obi umeala n'agbanyeghị ogogo na ọnọdụ akụnụba. Ha agaghị a fụrụ ụmụ ha ọjà ga-eduhie ha dịka nne Igolo mere kama ha ga-agba gbaziere ha dịka nne Ọjaadịlị na nna Igolo mere. Ma ọ bụrụ na ụmụ ha nupụrụ isi ma ejehie mgbe ha mụụrụ akọ ma lọghachitekwa azụ ma nchegharị na obi mwute, aghaghị ịnabata ma gbaghara ha dịka nna Emuka mere.

Nchọcha a na-akpọ oku ka ọhanaeze tumadị ụmụ na-eto eto gbaara nganga na mpako ọsọ ma nabata ezi ndụmọdụ ga-enyere ha aka na ndụ ma were obi umeala mezie ihe ọ bụla nganga na mpako mebiri na ndụ ha. A tụkwara arọ ka ndị ọchọcha ndị ọzọ mere nchọcha na-aga n'ihu iji wepụtagasịa ozi naechiche agụmagụ Igbo ndị ọzọ bu were bịa.

## Nrụaka


Agwụna, S.O (2004). *Ọnụ a kọrọ onye ụwa*. Lincel Publishers, Onitsha.
Anaelechi, B.C (1980). *Akụ fechaa*. University Press Limited, Ibadan.
Asọgwa, M.G (2004). *Onye gawara njem nyụchie nsị ụzọ*. Samuels Publishing Co.Enugu, Enugu State.
Bandura, A. (1977). *Social learning theory*: London: General Learning press.
Baum, W. (2005). *Understanding behaviour: behaviour culture and evolution* (2nd ed). Wiley: Blackwell.
Berger, K. S & Thompson, R. A. (1998). *The developing person through life span*. New York: Worth Publishers 33 Irvy place.

Culler, A.D (1961). *Poetry and criticism*. Boston Houghton: Mifflin Press.
Erikson, E. H. (1968). *Identity, youth and crisis*. New York: Norton.
Eze, R.I (2022). *Nkà usoro nchọcha n'asụsụ Igbo*. Chuka Educational Publishers, Nsukka, Nigeria.
Ezema, T.O (2009). *Nkụzi agụmagụ ọdịnala*. Kotangora: Victory Press.
Ekwealor, C.C (2009). *Agụmagụ ederede Igbo n'ozuzuoké*. Paschal Communications Nsukka, Enugu State.
Mbah, B.M na Mbah, E.E (2014). *Atụtụ amụmamụ asụsụ*. Nsukka: University of Nigeria Nsukka Press Ltd.
Milroy, L. (1987). *Language and social network*: Oxford:Blackwell.
Mmadụekwe, J.C. (1979). *Otu mkpịsị aka*. Longman Nigeria Plc, Ikeja, Lagos State.
Nnyigide, N. (2014). *Ntụleko nkọmịrịkọ na Ọjaadịlị na Akụ Fechaa*. Ngupụta Semina maka nzere Ph.D, Nnamdi Azikiwe University, Akwa.
Nwaọgụ, I.N. (2015). *Nganga bụrụ ụzọ*. Pacific Publishers Ltd, Uruowulu - Obosi, Anambra State, Nigeria.
Nwadike, I.U(1992). *Ntọala Agụmagụ*. Nsukka: Ifunanya Publishers Nigeria.
Nwadike, I.U (1992). *Nwata Bulie Nna Ya Elu*, Pacific Publishers Ltd.
Nnebedum, T. N (2025). *Omewere Ma Chi Ekweghị*, Denco productions.
Nnebedum, N.T. (2019). *Onye Chi Na-Azo*, Emmylivy printing press, Abakaliki, Ebonyi State.
Nnebedum, T.N (2022). *Ụfọdụ abụ ọdịnaala Igbo dịka Ụzọ Nkụnye Mkpụrụ Ezi agwà nye ndị ntorobịa*. Ekwe Jọnal. Legend Concept Printers, Onitsha.
Obasi, I.N (1999). *Research methodology in political science*. Enugu: Academic Publishers.
Obierozie, A.K (1986*). Ekpe Nna*. (Afọ mbigharị 2005). Pacific publishers Ltd, Obosi, Anambra State.
Ọdụnke Artist (1977). *Ọjaadịlị*. Ibadan: Oxford University Press.
Ọfọmata, C.E (2005). *Ndezu ụtọasụsụ Igbo nke ndị jiniọ sekọndrị*. Enugu: Fidgina Global.
Ọkafọ, S.O (2008). *Akanka N'agụmagụ Igbo*. Enugu: Colours Communication.
Okebalama, C.N (2003*). Mkpọlite Agụmagụ Ọnụ Igbo*. Enugu Snap Jones.
Okoro, L.C (2012). *Ndụbata n'agụmagụ Igbo*. Owerri: Trumpeters Concepts.
Ọnụọra, J. C (2006). *Nchịkọta echiche M*. Patmonic Printers and publishers Ltd, Onitsha.
Ọnwụdufor, F.O.F (2007). *Mmanụ ndị Igbo ji eri okwu*. Enugu: SNAP Press.
Ònyekaọnwụ, G.O (2008). *Nwata rie awọ* (Revised Ed., 2004). Varsity Publishing Company (UPC), Onitsha, Nigeria.
Rachilin, H.C. (1991). *Introduction to Behaviorism* (3rd.ed). New York: Freeman.
Websters(1994). Third new international dictionary unabridged: G9C Merrian Press Ltd. Copyright 1994: Dilithium press Ltd.

**Mgbakwụnyere**
**Ntụle Akwụkwọ Nchọcha**

***Ọjaadịlị*** bụ akwụkwọ ejije nke Ọdụnke Artist dere e bipụtara n'afọ 1977. Ọjaadịlị gbadoro ụkwụ n'akụkọ ifo. Ọ bụ ejije nkoweobineelu ma bụrụkwa ejije ụtọmụfụ maka otu odogwu bụ Ọjaadịlị bụ dịmgba. Ọjaadịlị ji mgba wee tuwe obodo ya ugo site n'inwude Otiaba bụ azụeruala na mgba ha gbara. Ọjaadịlị gbakwara mgba n'ala ụmụanụmanụ ma merikwa Ọzọdịmgba gburu Udumeje bụ ọkwọ ọjà ka ọ(Udumeje) gara inyere Ajịọbụ (ogbu ọjà Otiaba) aka chọọ ọgwụ a ga-eji tụtee Otiaba. Ka Ọjaadịlị merichaa Ọzọdịmgba, ọha obodo chọọ ịchị ya echiche ọ jụ si na ọ bụ mgbe o jere mgba n'ala mmụọ merie ka ọ ga-etozu ịchị echiche. N'ikpeazụ, n'agbanyeghị na o nweghị onye nyere ya nkwado, Ọjaadịlị gbara mgba n'ala mmụọ ma merichara ụmụ mmụọ niile ma ewepụ chi/ikenga ya. Mgba ọ gbara chi ya bụteere ya nnukwu ọdachi. Ọjaadịlị nwụrụ ma onye ọjà ya bụ Ogwumagana mechara tụtee ya. Ọjaadịlị bụ isi agwa bụ nwaokorobịa siri ike nke ukwuu ma hụkwa obodo ya n'anya. Nke a pụtara ihe oge o mechapụrụ obodo ya ihere n'ihu site n'ịgbaso Otiaba mgba ma nwụdekwa ya. Ọ jikwa onyinye ọnatarachi chi nyere ya bụ mgba wee napụta obodo ya n'aka ajọ anụ na-emekpa ha ahụ bụ Ọzọdịmgba.

***Nwata Bulie Nna Ya Elu*** bụ akwụkwọ ejije sitere n'aka Inno Nwadike nke e bipụtara n'afọ 1992 n'ụlọ ọrụ mbipụta akwụkwọ ke pacific. Ọ bụ ejije weere ọnọdụ n'obodo Ndiobinikpa ma kọọ akụkọ Emuka bụ nwa mmefuakụ. Emuka ji n'ihi na nna ya bụ akajiakụ we na-ebi ndụ mụ onye ha. Ọ jighi akwụkwọ ọ na-agụ kpọrọ ihe. Ọ bụladị mgbe otu onye nkụzi ya Nneezi wetara nna ya Iloka mkpesa maka ajọ omume ya n ụlọakwụkwọ, ọ meghị ka Emuka chegharia kama ọ kpọrọ ekwo nkụ. Emuka manyere nna ya ka o kee akụnụba ya ma nye ya oke nke ya. Mgbe oké akụnụba nke ya rutere ya aka, Emuka gara n'obodo Ogbundioma ga bie ndụ ka o si masị ya wee laa akụnụba nna n'iyi n'ụlọ nkwarịakụ na n'ụmụnwaanyi. Mgbe ego Emuka gwụrụ ka ọ nọrọ mara na uguru na-atụ oyi. Ọ gara chọta ọrụ ebe ọ na-azụ ezi ka agụụ ghara egbu ya mana isi apụtaghị nke mere ka o nwee nchegharị uche ma kpebie ịlakwuru nna ya. Iloka hụrụ Emuka nwa ya, nweekwa obi ọmịiko n'ebe ọ nọ, nabatakwa ya ma kpọọ oriri na ọṅụṅụ ka ọhaneze soro ya na ezinụlọ ya ṅụrịa ọṅụ na nwa ha fụrụ efu a lọtakwala.

***Nganga Bụrụ Ụzọ***bụ akwụkwọ ejije sitere n'aka Nwaọgụ N. Ijeoma nke e bipụtara n'afọ 2015 n'ụlọ ọrụ mbipụta akwụkwọ ke pacific. Ọ dabara n'ụdị ejije nkụzi.Igolo bụ isi agwa bụ otu mkpụrụ anya ji isi ụgwọ nye Chinyere na Ekweredike nke mere ka nne zụtọọ ya nke ukwuu. Mbọ niile Ekweredike gbara ka Igolo baa uru bụ nke kụrụ afọ n'ala n'ihi na Chinyere hụtara inye nwa ezigbo ọzụzụ dịka ị kpachara anya ata otu nwa ya ahụhụ. N'agbanyeghị ndụmọdụ niile Ulimma enyi ya nwaanyị nyere ya ka ọ wetuo anya ala be di ya n'ihi na e jighị be nna alụ dị, Igolo ejighị okwu ahụ kpọrọ ihe. O foro Igolo n'anya mgbe Obinna na ndị be ya bịara ịnara ego isi ya ka o siri be di ya lọta ma ju ị laghachi azụ ma ọ bụrụ na Obinna di ya abịaghị sekpuru ala rịọ ya mgbaghara. Ọ bụladị nne ya na-akụrụ ya egwu ọ na-agba chọpụtara n'ikpeazụ na ọ bụ ajọ egwu ka ọ na-akụrụ bụ nke nwa ya na-agba we gbajie ọkpa. Na nchịkọta akụkọ, nganga Igolo kpara dụlaa ya be nna ya; n'agbanyeghị arịrịọ ya niile oge ọ chọpụtara na egwu adaghariala, ihe niile emebichaala makana anaghị ekutekwa mmiri/mmanụ wụfuru awufu. A ga-ekewa ejije a ụzọ atọ bụ - mgba ndị isi ama na obiatọ, Igolo alụọ di na nlọta Igolo tinyer ọghọm pụtara na ya.